# Ezumike onye ọrụ na ụgwọ ruuru ya dịka o si metụta COVID-19

## Ọ bụrụ na ị gaghị arụnwu ọrụ n'ihi COVID-19, gwa onye were gị n'ọrụ ozugbo ozugbo. I nwere ike itozu ịnata ụgwọ maka oge ị na-arụghị ọrụ.

A ga-enyerịrị ndị ọrụ COVID-19 metụtara òkè na nchekwa ndị a kọwara na chaatị a dị n'ala n'agbanyeghị ọnọdụ mbịarambịa ha.

| | Ihe ọ bụ | Ihe ọ na-enye | Ihe i nwere ike ime |
|---|---|---|---|
| **Ụgwọ Ezumike Ọrịa (ỤEỌ) (ya bụ ezumike na-agaghị eme ka a kwụsị ịkwụ gị ụgwọ ọnwa gị)** | ỤEỌ California<br>• A ga-amalite gbakọwa ụgwọ ezumike ọrịa ma i bido ọrụ. Ị ga-ebido iwere ya ma ụbọchị iri itoolu gachaa<br>• Maka ọrịa, nlekọta ahụ ike ma ọ bụ mgbochi ọrịa | • A na-agbakọ ỤEỌ nke na-agaghị eme ka a chụọ gị n'ọrụ (dịka mgbe ị mụrụ nwa ma ọ bụ mgbe nwunye gị mụrụ nwa) nke mejupụtara n'otu elekere kwa elekere iri atọ a rụrụ ọrụ<br>• Onye were n'ọrụ nwere ike ime ka naanị mgbe a ga-ewere ỤEỌ nke na-agaghị eme ka a chụọ gị n'ọrụ bụrụ naanị ụbọchị atọ ma ọ bụ awa iri abụọ na anọ kwa afọ<br>• Mmadụ nwekwara iji ya lekọta ezinaụlọ ya<br>• Iwu na-achịkwa ogbe ị nọ nwere ike ịchọ mgbatị oge ụgwọ ọrịa | Gwa onye were gị n'ọrụ na ị chọrọ iwere ỤEỌ. Ọ bụrụ na onye were gị n'ọrụ enyeghị gị ỤEỌ, i nwere ike ịgba ya akwụkwọ maka ụgwọ ọrụ gị n'ụlọ ọrụ Kọmishọna na-ahụ maka Ọrụ (Labor Commissioner's Office). I nwere ike ịmatakwu maka nke na **dir.ca.gov/covid/if-you-were-not-paid.html** |
| **Mgbakwụnye Ụgwọ Ezumike Ọrụ (MỤEỌ)** | 2022 COVID-19 (MỤEỌ)<br>• E wepụtara Mgbakwụnye Ụgwọ Ezumike Ọrụ maka ọtụtụ ndị ọrụ na California malite na Jenụwarị 1, 2022 ruo na Sepụtemba 30, 2022 n'ihi COVID-19<br>• Ndị isi nwere ndị ọrụ ruru iri abụọ na isii ma ọ bụ karịa kwesịrị iwepụta awa ndị ahụ | • A chọrọ ka ndị na-ewe n'ọrụ wepụta ezumike ihe ruru awa 80 nke a ga-agbakwụnye n'ỤEỌ. Onye ọrụ ga-ewenwu ihe ruru awa 40 n'ime awa ndị a naanị mgbe ya ma ọ bụ onye ezinụlọ ya butere COVID-19<br>• Maka ndị e were n'ọrụ n'uju na ndị nrụchara<br>• Ọ bụrụ na ị naara ikikere ịga ezumike n'ihi COVID-19 n'etiti Jenụwarị 1 na Febụwarị 19, mana a kwụghị gị ụgwọ, ị ka nwere ike ikwu ka a kwụọ gị ụgwọ | Gwa onye were gị n'ọrụ na ị chọrọ iwere MỤEỌ ma ọ bụ ka ọ kwụọ gị ụgwọ ezumike ọrịa maka oge ị na-abịaghị ọrụ n'ihi COVID-19 kemgbe 1/1/2022. Ọ bụrụ na onye were gị n'ọrụ enyeghị gị MỤEỌ, kpọtụrụ ụlọ ọrụ Kọmishọna na-ahụ maka ọrụ. **dir.ca.gov/dlse/HowToFileWageClaim.htm** |
| **Ụgwọ Ọrụsị nke Obere Oge (ỤỌOO)** | Ịnshọọransị Ọrụsị nke Steeti (ỊỌS)<br>• Enweghị ike ịrụ ọrụ ma ọ bụ arụzughị ọrụ n'ihi ọrụsị<br>• A na-akwụnye ya n'ỤỌOO n'oge ị na-arụ ọrụ. | • Ihe ruru pasentị iri isii ma ọ bụ iri asaa ụgwọ ọrụ kwa izu, dị ka ụgwọ izu si dị, maka ihe na-agaghị akarị izu iri ise na abụọ (oge a na-eche maka nnyocha COVID-19 esoghị ya) | Tinye akwụkwọ na **edd.ca.gov/Disability/Disability_Insurance.htm** |

Ọ bụrụ na i butela COVID-19 n'ọrụ nke mere ka ị gaa n'ụlọ ọgwụ ịgwọ onwe gị ma ọ bụ na a kwụghị gị ụgwọ maka mmerụ ahụ ma ọ bụ ọrịa, i nwere ike itozu maka mmenyere a na-emenyere ndị ọrụ. Matakwuo maka nke a na **dir.ca.gov/covid/if-you-get-sick-at-work.html**

| | | | |
|---|---|---|---|
| **Ụgwọ Ezumike Ezinaụlọ (ỤEE)** | Ụgwọ Ezumike Ezinaụlọ (ỤEE)<br>• Nlekọta maka otu onye n’ezinaụlọ nọ n’oke ọrịa<br>• A na-akwụnye ya n’ỤỌOO n’oge ị na-arụ ọrụ. | • Ihe ruru pasentị iri isii ma ọ bụ iri asaa nke ụgwọ ọrụ kwa izu, dị ka ụgwọ izu si dị, maka ihe na-agaghị akarị izu asatọ (ọ bụghị iwu na a ga-anọzu ya otu ugboro) | Tinye akwụkwọ na **edd.ca.gov/Disability/Paid_Family_Leave.htm** |
| **Ezumike ọrụ nke na-agaghị eme ka a chụọ gị n’ọrụ** | Iwu Ikike Ezinaụlọ CA (IIEC)<br>• Otu afọ ma ọ bụ karịa mmadụ bidoro ịrụ ọrụ<br>• Awa 1,250 ma ọ bụ karịa e ji rụọ ọrụ n’afọ gara aga<br>• Ndị ọrụ ise ma ọ bụ karịa | • Ezumike ọrụ nke na-agaghị eme ka a chụọ gị n’ọrụ nke i nwere ịnọ izu iri na abụọ ma ọ bụrụ na ị nọ na nnukwu ọrịa ma ọ bụ na-elekọta otu onye n’ezinaụlọ gị nọ na nnukwu ọrịa (ọ bụghị iwu na a ga-anọzu izu iri na abụọ a otu ugboro)<br>• Ịga n’ihu n’inwete ihe ruuru onye dịka o si metụta ahụ ike | Gwa onye were gị n’ọrụ ma ọ bụ gaa na **www.dfeh.ca.gov/family-medical-pregnancy-leave/** |

MÀRÁ: Ndị ọrụ chọkwuru ezumike maka ọrịa na-arịa ha onwe ha nwekwara ike itozu ịga ezumike ma a hụta ya dịka ọrụsị dịka o si pụta ihe n’iwu mwere n’ọrụ na ebe obibi nkwụmọtọ. Gaa na **www.dfeh.ca.gov/accommodation/**

**Ọmụmaatụ etu e si anara ezumike:**

Ed nọ ebe o nwere ike ibute COVID-19 ma nwekwaa ihe na-egosi na mmadụ bu COVID-19, dọkịta ya gwara ya ka ọ nọrọ n’ụlọ ma nọpụkwa iche. Ed bu nje koro ma nwekwaa mgbaama ya na-anọte aka.

**Usoro 1: Jiri ỤEỌ / MỤEỌ**

Ed gwara onye were ya n’ọrụ na ọ na-etinye ỤEỌ ya n’ọrụ nakwa ụbọchị ọ ga-ebidokwa ọrụ.

**Usoro 2: Nara onye were gị n’ọrụ Ezumike ọrụ CA nke na-agaghị eme ka a chụọ gị n’ọrụ ma tinye akwụkwọ maka ỤỌOO n’ụlọ ọrụ EDD**

Ka Ed nọzuru oge ỤEỌ, Ed gwara onye were ya n’ọrụ ka ọ gbatịkwuo oge ezumike ya dịka o si dị n’ezumike ọrụ CA nke na-agaghị eme ka a chụọ mmadụ n’ọrụ iji chekwaa ọrụ ya ma tinyekwa akwụkwọ maka Ụgwọ Ọrụsị nke Obere Oge (ỤỌOO).

Maka ịmatakwu ihe gbasara nke a, gaa na **saferatwork.ca.gov**